**Isiokwu Ọmụmụihe A:**

# Gịnị bụ Ịntanetị na uru dị na ya? Ọmụmụihe nke abụọ

**Nchịkọta Isiokwu:** Ịntanetị

**Sọbụjetị:** Information Technology; Computer Studies

**Mgbe E Mere Ya**: Ọnwa Febrụwarị, Afọ 2021

**Maka** ndị nọ na klasị nke atọ n'ulọakwụkwọ Praịmarị gbagobe (ma ọ bụ ndị gbara afọ asatọ ma ọ bụ karịa, ọ bụrụgodị na ha anọghị n'ụlọakwụkwọ)

**Ihe Anyị Na-Ele Anya Imepụta n'Ọmụmụihe A**:

I mechaa ọmụmụihe a, ị ga-enwe ike kwuo uru ise, gị, ndị gị na ha nọ, ndị enyi gị nakwa obodo gị pụrụ isi n'Ịntanetị rite.

**Ihe Mpụtaìhè**
Ihe ga-apụta ìhè na ndụ gi site n'ọmụmụihe a bụ na ị ga na-eme ihe bara uru n'Ịntanetị ma na-akụziri ndị ọzọ ime otu ahụ. Site n'ụzọ dị otu a, ị gaghị enwe ohere ịgba asịrị, izisa ozi ụgha, igwu wayo, na ime ihe ọzọ na enweghị isi ma ị banye n'Ịntanetị.

**Ihe Ndị Dị Mkpà I Ga-Eji Mee Ọmụmụihe a** bụ tebụlụ na oche; akwụkwọ maka ide ihe omume; mkpịsị ode


## Ọmụmụihe

### Uru ndị ọzọ e si n'Ịntanetị erite

N'ọmụmụihe nke mbụ n'isiokwu "Gịnị bụ Ịntanetị na uru dị na ya?" anyị kọwara ihe Ịntanetị bụ nakwa uru atọ a na-erite n'Ịntanetị. Anyị jiri ndị riterela uru ndị ahụ wee maa atụ. N'ọmụmụihe nke a, anyị ga-akọwa, makwaa atụ, uru ise ọzọ Ịntanetị na-enye.

*Uru nke anọ*

Ịntanetị ga-enyekwara gị aka ịnọ n'ụlọ gị sonye na ihe ndị si mba dị iche iche n'ụwa na-eme na mba ọzọ ma ọ bụ n'Ịntanetị.




Na foto a, ị na-ahụ isi mmadụ asatọ, nke Chris Prince Udochukwu Njọkụ (onye mepụtara ọmụmụihe a) so na ha. Ha haziri ụzọ dị iche iche a ga-esi jiri nkwupụta na ozi e nwegasịrị banyere anwụ na mmiri-ozizo nyere ndị ọrụ-ugbo nọ n’Africa aka ịkọpụta nri n’afọ niile na enweghị ọdachi ọbụla. Ha nọ n’ụlọ ha di iche iche rụọ ọrụ a site n’Ịntanetị, mana onye nchikọta bu onye wegara ihe ha rụpụtara n’ọgbakọ ukwu e nwere na Nairobi, Kenya. Ị na-ahụ ọkọlọtọ (flags) dị iche iche na-egosi na ndị a nọ mba Nigeria, Kenya, Democratic Republic of the Congo, Switzerland, na Czech Republic?

*Uru nke ise*

Ịntanetị bakwara uru na mmepe obodo, na-emekwa ka a mara obodo a mara na mba-ụwa. Nke mbụ, ndị obodo ga-esitenwu n’Ịntanetị nweta ndị nwere ike inyere ha aka gwuo ụmị mmiri-ọṅụṅụ, site n’ayanwụ nweta ọkụ-elektirik, rụọ ọba-akwụkwọ, rụọ ebe a na-amụ akaọrụ, nakwa tinye ihe ndị ọzọ na-enyere ndụ aka.







Nke abụọ, obodo ga-esi n’Ịntanetị mee ka mba-ụwa mara akụkọ ya, nri pụrụ iche ọ na-esi, ihe ọ na-emepụtagasị, ụmụ ya welitere isi, nakwa mmemme na omenala ndị ọzọ e ji mara ya. Ime nke a anaghị ewe ụdị ego a na-emefu n’ibipụta ihe ndị a n’akwụkwọ.









*Uru nke isii*

Ndị mmadụ na-esikwa n’Ịntanetị enweta enyemaka ego, mkpụrụ-akụkụ, ngwa-ọrụ na ndụmọdụ ha na-eji akwalite ọrụ ugbo ha. A na-enwetakwa enyemaka ego ma ọ bụ ngwa-ọrụ ma ọ bụ ntụziaka e ji ebido ma ọ bụ akwalite ọrụaka ma ọ bụ ijeozi ọzọ e si-akpata ego.


Iji maa atụ. Ụmụ amala Naịjiria abụọ (aha otu n’ime ha bụ Maxwell) chọpụtara ijeozi na-aza ScholarX (www.scholarx.org). Ha si n’Ịntanetị mata na Injini na-achọ ụmụ Afrịka ha ga-enyere aka ibido ọrụ pụrụ iche ha ga na-arụ maka ịkpata ego na ikwalite ọmụmụ akwụkwọ. Injini (www.injini.co.za) bụ ụlọrụ na-akwado ụmụ Afrịka ibido ụlọrụ ma ọ bụ ijeozi. Ha na-enyekwa aka ka ọru e bidoro ọhụrụ na-aga nke ọma. Injini nyere Maxwell na enyi ya ọzụzụ na ego ScholarX jiri malite ọrụ. Injini chọtakwara ndị ọkachamara na-enye ScholarX ntụziaka otu o ga-esi na-aga n’ihu. ScholarX bụ nanị otu n’ime igurube ijeozi na ụlọrụ nwetara enyemaka dị otu a site n’aka ọtụtụ ụlọrụ nọ n’Ịntanet na-akwado ibido na iwulite ijeozi ma ọ bụ imepụta ihe a ga-ere ere.

*Uru nke asaa*

Dịka UNESCO kwupụtara n’afọ 2020, Ịntanetị nwere ọtụtụ akwụkwọ, ngwa-ọrụ na ihe ndị ọzọ a na anaghị akwụ ụgwọ maka ha, nke na-enyere ụmụakwụkwọ, ndị nkuzi na ụlọakwụkwọ aka n’ịmụta akwụkwọ, n’ikuzi ihe, na nlekọta, nakwa na nmekọrịta na-eweta ọganihu. Iji maa atụ, ọtụtụ foto, vidio na ihe ọgụgụ e jiri mepụta ọmụmụihe a si n’Ịntanetị. Ozi a n’onwe ya ga-adịkwa n’Ịntanetị.



Ịntanetị na-eme ka mmadụ nwee nkwuwa-okwu, nwee ike mee nkpesa mgbe a na-emegide ya, mgbe a na-anapụ ya ihe ruuru ya, ma ọ bụ na ndị ọchịchị anaghị enye obodo ya ihe ha kwesịrị inye ya. Nihi na nkpesa e mere n'Ịntanetị ga-ewetara onye mejọrọ nnukwu ihere n'uwa niile, otụtụ mgbe, a na-enye onye mere nkpesa ahụ ihe ọ na-achọ.


Taken from Abubakr O Siddig https://youtu.be/mBeSHkNHFZc

Onye mepụtara ọmụmụihe a esiwo na Twitter dị n'Ịntanetị mee mkpesa ndị Glo Nigeria jiri kwanyere onwe ha ugwu kwụsị kpamkpam izitere ya ozi ndị ahụ na anaghị ekwe mmadụ kuru mmiri ṅụọ tọgbọ iko. O mere nke a mgbe oku niile ọ kpọrọ Glo n'ekwentị ka ha kwụsị ya, ya na DO NOT DISTURB niile o jiri SMS zigara ha, dị ka mmiri awụrụ n'elu okwute. O jiwo kwa e-mail meere ndị National Human Rights Commission mkpesa mịtara mkpụrụ. Mata na a na-esikwa na Facebook, Instagram na Websait eme mkpesa.

## Ihe Omume

Kọwaara ndị gị na ha nọ n'ụlọ (nne na nna gị na ụmụnne gị, ma ọ bụ ndị ọzọ gị na ha bi) na ndị enyi gị uru ise a na-esi n'Ịntanetị erite. Si otu a mee ka ha mata mkpa ikonye ekwentị ma ọ bụ kọmputa n'Ịntanetị dị. Depụta nkọwa gị n'akwụkwọ i ji-ede ihe omume.

Onye mepụtara ọmụmụihe a bụ Dọkịta Chris Prince Udochukwu Njọkụ nọ na Mahadum Nigeria dị na Nsukka, Stetị Enugu. O si na vidio na edemede ụfọdụ nọ n'Ịntanetị mepụta ya n'aha

RICTHE Africa Researchers on ICTs in Education in Africa

na

C·O·L COMMONWEALTH of LEARNING
Learning for Sustainable Development

**Ikike ịkọpị, imezigharị na ikesa ọmụmụihe a**

*E mere ọmụmụihe a maka ndị* Nigeria na ụmụ Africa *ndị ọzọ. I nwere ike imezi ma ọ bụ megharịa ọmụmụihe a, kesakwaa ya dịka ikike nke Creative Commons (CC) BY-SA 4.0 si dị. Mgbe i meziri ma ọ bụ megharịa ya n'ụdị ọbụla, ị ga-edepụtarịrị na nke gị sitere na nke a dịka Researchers on ICTs in Education in Africa (RICTHE Africa) na Commonwealth of Learning (COL) siri* kwàdo ka e mee nakwa kesaa ya n'ikike CC-BY-SA 4.0 (https://creativecommons.org/licenses/by-sa/4.0/).

Vidio na edemede ụfọdụ e jiri mepụta ọmụmụihe a nọ n'Ịntanetị.

\

